lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jeremaịa, Onye Anya-mmiri



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

A mụrụ Jeremaịa n’ụlọ okpukpe dị n’ala-eze Juda. Nna ya, bụ́ Hilkaya, bụ onye nchụ-àjà.  Ezinụlọ ahụ bi n’otu obodo a na-akpọ Anatọt, nke na-adịghị anya na Jerusalem.  Ma eleghị anya, ndị mụrụ Jeremaịa chere na ọ ga-abụkwa onye nchụ-àjà.  Ma Chineke nwere atụmatụ ọzọ.





N’oge a mụrụ Jeremaịa, ndị Chineke adịghị ebi ndụ dịka Okwu Chineke sịrị dị. Ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ mmadụ niile, malite na eze ruo n’onye ọlụ kasị dị umeala n'obi, na-efe chi ụgha - ọbụna n'ụlọ nsọ nke Chineke!



Mgbe
Jeremaịa bụ
nwa okorobịa,
Chineke gwara
ya okwu.
“Amaara m gị tupu a mụọ
gị,” ka Chineke gwara Jeremaịa, “m wee nwee
atụmatụ mgbe ahụ na ị ga-ekwuchitere m ọnụ m.”

Oku Chineke yiri ka ọ na-atụ Jeremaịa ụjọ. "Ah, Onye-nwe-anyị Jehova!" ka o tiri na mkpu. "Enweghị m ike ikwu okwu, n'ihi na abụ m nwata." Ọ karịrị nwata - ọ dị afọ iri abụọ. Ma Jeremaịa echeghị na ya ga-ekwuchitere Chineke ọnụ megide ajọ omume ndị gbara ya gburugburu.



“Atụla egwu,” ka Chineke jiri mesi Jeremaịa obi ike.  “Jee n'ebe ọbụla m na-eziga gị, kwue ihe ọbụla M sị gị kwuo,



M nọnyeere gị, M ga-anapụtakwa gị.”  Chineke wee mee ihe pụrụ iche. Chineke metụrụ Jeremaia aka n’ọnụ.

Chineke nyere Jeremaịa ume na obi ike na amamihe. O ji obi ike kwuo okwu, na-echetara ndị mmadụ na Chineke hụrụ ha n’anya nakwa na ọ chọrọ inyere ha aka.  Ma ọ dịghị onye gere ya ntị.  Ọbụna eze.



Ọbụna ndị nchụ-aja were iwe wee gwa ya ka ọ kwụsị ikwu banyere Chineke.  E nwekwara ndị-amụma ụgha ndị kwuru na Jeremaịa anaghị ekwu eziokwu.



Jeremaịa chetaara ndị ahụ na, n’ihe dị ka otu narị afọ gara aga, ala-eze n’ebe ugwu nke Izrel agbahapụwo Chineke. Ndị iro ha, bụ́ ndị Asiria, meriri ha ma kpọga ndị Izrel niile n’ala ndị dị anya.





Ugbua ndị Juda,
ala-eze ndịda,
ahapụwo Chineke.
Ndị-agha ndị iro
abanyelarị n’ije!
Chineke ọ̀ ga-ekwe
ka e merie ndị Ya
ma dọrọkwa ha
n’agha?

Ndị mmadụ tụkwasịrị arụsị ha obi.  Arụsị hà nwere ike ịzọpụta ha n'aka ndị iro ha? Mba!  Naanị Chineke nwere ike ịzọpụta ha. Ndị Izrel wesoro Jeremaịa iwe nke ukwuu, ha kpara nkata igbu ya.  Ma Chineke chebere ohu Ya.



N’ikpeazụ, Chineke kwuru ihe ọ ga-abụrịrị na ọ tụrụ Jeremaịa n’anya.  Chineke wee sị, “Ekpela ekpere banyere ndị nka ọzọ.  M gaghị anụkwa olu ha mgbe ha na-etiku m maka enyemaka.”



Jeremaịa dọrọ eze aka ná ntị na ya ga-emeri n’agha ya na ndị-agha Babịlọn. Iwe were eze, o wee tụba Jeremaịa n’ụlọ mkpọrọ. Jeremaịa nọgidere na-ekwusa ozi ọma ma tụkwasịkwa Chineke obi ọbụna n'ụlọ mkpọrọ.



Mgbe o si n’ụlọ mkpọrọ pụta, Jeremaịa kwusara ozi ọma ọzọ nye eze na ndị mmadụ ka ha laghachikwute Chineke ma tụkwasị ya obi.

Na nke ugbua, eze mere ka a tụba Jeremaịa n'olulu miri emi nke apịtị juru.



Ma Chineke nọ na-arụ ọrụ n’ime obi eze.  Ọ napụtara Jeremaịa na nzuzo ma jụọ ya ihe Chineke chọrọ ka eze mee.  “Bụrụnụ ndị a dọtara n’agha, ma Chineke sịrị na unu ga-adị ndụ,” ka azịza ya bụ.



Ndị-agha Babilọn meriri Jerusalem na Juda niile.  Ha kwaturu mgbidi ahụ na ụlọ niile, gbaa ihe niile ọkụ. Chineke kwuru na ndị Ya ga-aga n’agha ruo iri afọ asaa, wee kpọghachite ha n’Ala Nkwa ahụ.



Jeremaịa, Onye Anya-mmiri

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Jeremaịa

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.